# Ntucha Abụ Edereede Igbo Ụfọdụ A Họọrọ Dịka Enyo E Ji Ahụta Ebimndụ N'ụwa

**Nkechi B. Udoma**

Ngalaba Linguistics/Igbo
Mahadum Chukwuemeka Odumegwu Ojukwu Ke Igbariam

**Ụmịedemede**

Agbụrụ ọbụla na-enwe abụ na-ezipụta ebimndụ ndị nwe ya. Niihi nke a nchọcha a họọrọ abụ Igbo ụfọdụ dị n'akwụkwọ abụ Izunwanne nke Ifeka R. O. chịkọbara n'afọ 2010. Ndị bipụtara ya bụ ụlọọrụ Perfect Image dị n'Ọnịcha. Abụ dị n'ime akwụkwọ ahụ dị iri ise na ise sitere n'aka ndị odee atọ. A kọwara n'abụ ndị a 'Ọchịchị' na 'Ego' dịka enyo e ji ahụta ebimndụ ndị Igbo n'ụwa. Ebumnobi nchọcha a bụ isi n'abụ ndị a gbaa n'anwụ ihe na-ebutegasị nsogbu e nwere n'ọhaobodo nke sitere n'aka ndị ọchịchị nakwa etu ndị mmadụ sie bi ndụ n'ụzọ achụmnta ego nke wetara mmegbu, ntọrị, ogbugbu, ntaramaahụhụ n'ebe mmekọrịta mmadụ na ibe ya dị. Ọzọ bụ iwepụta akanka na atụmatụokwu odeabụ ji chọọ abụ ya mma wee zipụta mmetụtaobi na echiche ya gbasara isiokwu abụ ya. A chọpụtara na abụ ndị a zipụtachara ka mmadụ si ebimndụ ha tụmadị enweghị ezigbo ebumnobi n'ebe ndị ha na-achị, ma tinye ha na nsogbu, n'ihi nleghara anya ha na-eme n'ihe ga-enyere ha aka na ndụ. Ụdịdị ebimndụ a ka a gbara n'anwụ ma katọọ ya, wepụta nka mma ga-enye aka ịkwalite ezimmekọrịta n'ebe ebimndụ n'ọhaobodo. A chọpụtara n'ọrụ a ma wepụta atụmatụokwu ụfọdụ gosiri ajọ ọchịchị ndị ọchịchị na ụzọ a esi achụ ego adịghị mma. A

na-atụ alo ka esite na nchọcha a na-akụzi e nyere gbanwee echiche ọjọọ na ajọ akparamaagwa ahụ ma mewe nke dị mma.

**Mmalite**

Agụmagụ dịka echiche mmadụ ji ekere uche ya chepụta, hazie ma were asụsụ nka kwupụta, kọpụta, kpọpụta, gụpụta, mepụta maọbụ depụta. Nke a na-agbakwasị ụkwụ na ndụ, usoro ebimndụ na nsirihụ ụwa, ọhaobodo maọbụ agbụrụ. Ekewara agụmagụ nnukwu ngalaba abụọ ndị a: (a) agụmagụ ọnụ na (b) agụmagụ edereede. Ekewara agụmagụ ọnụ ụzọ abụọ ndịa: agụmagụ ọdịnaala na agụmagụ ọnụ ugbua. Site n'agụmagụ ọnụ enwere ngalaba atọ ndị a: (a) akụkọ (b) abụ (ch) ejije. Ọtụtụ ndị odee kọwara agụmagụ ma ole na ole ka nwanchọcha weere dịka:

Egudu (1981) na-akọwa na agụmagụ dịka ekwumekwu ahụ e jiri nka kwuo iji kọwapụta echiche na mmetụtaahụ odee nwere maka ihe mere maọbụ ihe ndị megasịrịnụ. Egudu na-akọwa na agụmagụ na-abụkarị mmetụtaahụ odee nwere maka ihe maọbụ ihe megasịrịnụ.

Ekwealor (2011) n'akwụkwọ Obidike (2011) na-ahụta agụmagụ dịka "echiche mmadụ ji ekereuche ya chepụta, hazie ma were asụsụ nka kwupụta, kọpụta, gụpụta, kpọpụta, mepụta maọbụ depụta." Na nchịkọta nkọwa ya, nke a na-agbakwasa ụkwụ na ndụ, usoro ebimndụ na nsirihụụwa ọhaobodo maọbụ agbụrụ.

Agụmagụ baara ndị nwe ya uru. Mba ọbụla maọbụ agbụrụ ọbụla nwere agụmagụ ha. Dịka nke Igbo (Igbo litrechọ maka ndị Igbo, nke ndị Hausa dị, nke Yoruba wdz). Agụmagụ ndị ahụ na-ezipụta etu ndị nwe agụmagụ ahụ si ebi ndụ ha na be ha nakwa asụsụ ha na-asụ.

Abụ so n'otu n'ime nnukwu ngalaba atọ agụmagụ nwere iji zipụta echiche mmadụ chere ịkọwapụta ihe mere maọbụ na-eme n'ụzọ o si

emetụta na mmụọ nke nwere usoro nhazi dị iche n'agụmagụ ndị ọzọ. Ụfọdụ ndị ọkammụta nyere nkọwa abụ dịka Nwaduike (2003) kwupụtara na "abụ bụ ọrụnka nke e tinyere n'asụsụ dị ọgọ, hazie n'usoro pụrụ iche, bịa nwee echiche miri emi na mmetụta n'obi."

Anozie (2007) na nkọwa nke ya, kwuru na abụ bụ otu ụdị agụmagụ jupụtara na nka, mmadụ ji akọwa ndụ, ekere na ihe ndị ọzọ a na-ahụ na ihe a na-eme n'ụwa. Akporobaro (2008:601) n'echiche nke ya kọwara abụ dịka ime ihe malitere n'aka ndị gboo mgbe mmadụ malitere ịmụ okwu site n'ịgụ ya, were ịgba na ezi ozi n'ihe a na-eme, mgbe ọ na-eru ụjụ, mgbe ụjọ na-atụ, okwu e ji egosipụta ihe ndị a, nke agụrụ n'ọnụ na-esi n'aka fere aka ma nke edeturu n'akwụkwọ ka dị etu esi dee ya ka ndị mmadụ gụọ. Okoro (2009) mere ka a mata n'edereede ya, n'abụ dị ka okwu mbụ edeturu n'ụdị abụ mmadụ kwuru. "Nke a bụ ọkpụkpụ si n'ọkpụkpụ m, anụ arụ si n'anụ arụ m pụta. Nke a ka a ga-akpọ nwaanyị. Niihi na ewepụtara nke a n'arụ nwoke" (Genesis 2:23).

Ifeka (2009) na-akọwa abụ dịka ihe odide na ọgụgụ si n'uche pụta nke e dere n'akwụkwọ maọbụ gụọ n'ụzọ dị mkpirisi maọbụ nke na-akọwa echiche dị omimi nke e tinyere n'asụsụ enweghị atụ site n'iji ihe mere eme maọbụ nke a na-atụ anya ga-eme.

Uzoma (2012) na-ekwu n'abụ bụ ngosipụta ihe mmadụ bu n'uche nke onye ahụ ga-edepụta maọbụ chepụta n'ụdị gaziri agazi site n'iji asụsụ nka wepụta ya." Ihe ọbụla mmadụ chepụtara n'echiche ghara idepụta ya n'ụdị ejije maọbụ akụkọ bụ abụ. Mgbe ụfọdụ, o nwere ike ịbụ ihe na-eme na ndụ onye chepụtara ya maọbụ ihe mere na ndụ onye ọzọ ọ maara.

Nsolibe (2013) na nkwupụta nke ya sị na “abụ dịka akụrụ ngwagha na-ekwuru mmadụ ọnụ ya. Ọ na-ebupụta ihe na-amaghị ka a ga-esi kwu nke ga-eweta nkọcha maọbụ mgbazi n’ụwa mmadụ nọ n’ime ya.” Ọ gara n’ihu kwue n’abụ nwere ọtụtụ akụrụngwa eji ezisa ozi site n’ịgba n’anwụ ihe adịghị mma a na-eme ma gaa niihu iweta mgbanwe n’ọnọdụ ahụ adịghị mma.

Okafor (2018) na-akọwa abụ dịka “ihe ndị odeabụ na-esite n’isiokwu abụ ha zipụta echiche ha n’ihe na-eme na ndụ mmadụ na-etiti ndị gọọmentị na ndị ha na-achị.” N’ịganiihu ha ejighị ndị ha na-achị kpọrọ ihe nke wetara ihe isiike jupụtara n’ebe niile.

Na nghọta nwanchọcha, abụ bụ ihe ọbụla mmadụ hụtara na-eme na ndụ mmadụ nke na-emetụta n’obi echepụtara ma detuo, were asụsụ ndị nke detuo ya n’ahịrị n’ahịrị na n’ọgbara n’ọgbara, ma tinye atụmatụokwu ziri ozi n’ime ihe ahụ na-eme maọbụ mere, nke nwere nghọta abụọ nke dị elu na nke dị omimi.

Abụ bụ otu ngalaba agụmagụ nke na-akọ maka ọdịdị ụwa na ihe dị ya n’ime. O nwere ike na-arụtụ aka na ngalaba ụwa atọ Chineke kere dịka ụwa mmadụ, ụwa mmụọ na ụwa anụmanụ. E kewara abụ ụzọ abụọ, abụ ọdịnala na abụ ugbu a. Abụ ọdịnala bụ nhiweisi abụ edereede niihina ọ bụ site na ya ka abụ edereede siri kụrụ ike nzipụta ya n’ozuzu oke. E nwekwara ọtụtụ abụ dịka abụ otito, abụ ikpe, abụ akwaarịrị, abụ nwa, abụ nkuzi na ndụmọdụ, abụ echichi, abụ agha na abụ ntọaja/ofufe.

Njirimara abụ gụnyere e tu odeabụ siri hazie abụ ya na nkebiabụ na ahịrịabụ. Ụfọdụ dị na mkpirisi. ụfọdụ dị ogologo. Olu abụ nwere ike bụrụ olu ike maọbụ olu arịrịọ, iji wee zie ozi n’abụ ya. E ji atụmatụokwu dị icheiche ede abụ dịka uilu, akpaalaokwu,

bịambịamgbochi, mbụrụ, ụrọokwu wee chọọ abụ mma ma mee ka nghọta ya zuo oke. Abụ bakwara ọtụtụ uru na ndụ ndị Igbo iji nyeaka ikwupụta ihe ụfọdụ na-eme n'elu ụwa dịka ihe ọnwụ na-eweta, ihe mmadụ na-eme ibe ya. Ọzọ abụ na-arụkwa ọrụ dịka enyo ncheta ihe gara aga na ndụ mmadụ. Ihe nke a pụtara bụ na ihe ọbụla nke e tinyere n'ụdịabụ dịka omenala, nkwenye maọbụ ihe ọbụla mere na ndụ ọ ga-ara ezigbo ahụ tupu ndị mmadụ maọbụ ndị o metụtara chefuo ya.

Enyo bụ akụrụngwa emepụtara na-egosi mmadụ ka mmadụ dị n'atụghị asị, gbaa ihe niile n'anwụ, ọ bụ ya ka e jiri tụnyere ihe abụ na-arụ na ndụ ọgụụ na ọhanaeze. A ga-esite n'abụ ndị a họọrọ dịka enyo e ji ahụta ebimndụ n'ụwa, bụ abụ dị n'akwụkwọ Izunwanne nke Ifeka O. R. dere, Ọchịchị na Ego.

**Ọchịchị**

A sị na ọ bụ onye kwuo uche ya
Ndị kwuru uche ha, anya ahụghị ha.
Ndị nọ n'iyi ma were asọ na-asa ahụ.
Ha sị na ihe ga-adị mma
ma ugbu a, ọ bụghị otu akụ ilu si ada
Ka o si atọ.

Nke ugbu a adịghị ọkụkọ
Onye anọghị nso ga-eche na ọ dị mma ma
Mgbe ọ na-ege redio na television
Ụzọ niile dịzị ka ebe agbara ute
Mmiri pọmpụ na-agba esepụ aka
Garị bụzị atụrụ tawa.
Mmanụ ụgbọala adaala n'ọnụ ahịa
Ụgwọ akwụkwọ bụzị n'elu

Nke ugbu a dị egwu.

Nke ugbu a bụzị mmekpu
Onye ma mwanne ya kpọrọ
Niihi na egwu adaghariịala
A na-eke ego ịlaghachi azụ
Maka ịbịa chịbakwa onye?
Ego otu nwaanyị akwụna
Na-esoghariị ya na-eti mkpu ọchịchị
Bụ ụgwọ ọnwa ndị nkuzi mahadum
Mmadụ ise ka ọ na-erikwa izu
Nke ugbu a dị egwu?

Naanị mmetụta o nwere bụ
Ka ọ bịaghachi ọzọ chịwa anyị
Ha sị na ọ bụrị ọgaranya
Nwee ọtụtụ ego
Biko gwanụ ya
O nwere ihe o chezọrọ
N'obi gọọmentị
Ya gaa weghara ya
Na ọchịchị ya ejula
Ma mmụọ ma mmadụ afọ (ihu akwụkwọ iri ise na iteghete)

Abụ a dị nkebiabụ anọ, nkebiabụ nke mbụ nwere ahịrịabụ isii, nkebiabụ nke abụọ nwere ahịrịabụ iteghete, nkebiabụ nke atọ nwere ahịrịabụ iri ebe nkebiabụ nke anọ nwere ahịrịabụ iri. Odeabụ ji abụ a wee na-akọpụta ka ọnọdụ obodo anyị si dị na Naịjịrịa n'ebe ndị na-achị na gọọmentị. Nleghara anya ihe bụ ọrụ ha n'ebe ndị ha na-elekọta nọ nke butere nsogbu, nhụjuanya nakwa ahụhụ sitere n'oke

ngara ọnụ ahịa nri na mmanụ e ji akwọ ụgbọala bụ ihe na-enyere ndụ aka n'oge ugbua.
Eziokwu adịghị n'okwu ha, nke na ha na-arapụ ndị ha na-achị soro okwu m ma e sola omume m, nke a pụtara ihe na nkebiabụ nke mbụ, ahịrịabụ nke mbụ wee rue na nke isii.
A sị na ọ bụ onye kwuo uche ya
Ndị kwuru uche ha anya ahụghị ha
Ha sị na ihe ga-adị mma
Ma ugbu a ọ bụghị otu akụ ilu si ada ka o so atọ

Aghụghọ jupụtara n'ọrụ ha, mgbe ha na-agwa ndị mmadụ site na redio na televishọn n'ụzọ niile dịzi ka ebe agbara ute maa gaa n'ụzọ ahụ ọbụrụ ndagwurugwu. Mmanụ eji agwa ụgbọala dị oke ọnụahịa kpatara na garị, ihe oriri niile garara ọnụ n'ihi na ndị na-akwọ ụgbọala nara ha ngaraọnụ. Abụ a zipụtara fọnfọju akpa dị n'ime mmadụ tụmadụ n'ebe ndị ọchịchị anyị nọ, kpatara na a na-ewere ego eji akwụ ndịọrụ ụgwọ wee gboo mkpa nke onwe ha ma leghara ọrụ kwesịrị ha ga-arụrụ obodo na ịkwụ ndị nkuzi ụgwọ, ọmụmaatụ: nkebiabụ nke atọ ahịrịabụ nke isii rue na nke iri:

Ego otu nwaanyị akwụna
Na-esogharị ya na-eti mkpu ọchịchị
Bụ ụgwọ ọnwa ndị nkuzi mahadum
Odeabụ sitere n'abụ a gosi ihe na-eme ka ọhaobodo mata na ndị ọchịchị enweghị ezigbo ebumnobi ihe gbasara ndị ha na-achị na ọgaranya a na-asị na ha bụ, bụ ego dịịrị ọhaobodo ha na-ebukọrọ n'onwe ya na-akwado ịbịaghachi ọchịchị nke ugbo abụọ. Odeabụ n'olu arịrịọ iji mee ka ọ ghọta n'obi adịghịzị ndị mmadụ na ndị mmụọ mma n'ọchịchị ya, a gaghị ekwe ya ka o chighata. Odeabụ webatara atụmatụokwu dabara n'ime abụ ya dịka akpaalaokwu,

kwunkwunwo, mmemmadụ, ekwuecheọzọ, asịnilu, ilu na ajụjụnzaraonwe.

A bịa n'ihe na-eme n'ụbọchị taa o nweghị ihe e ji e nyere ndụ aka nke gọọmentị na-emezịrị ndị ha na-achị. Mmiri pọmpụ bụzị akụkọ mgbe ochie, ego agụmakwụkwọ bụ n'elu ọjị, ntọrị, agụụ, nsogbu na-ebute adaa anwụọ (slump and die) jupụtara n'obodo. Ọ bụ ihe ajọ ọchịchị wetara. Agwa ọ na-akatọ bụ ndị a:

- A gwaghị ndị a na-achị eziokwu.
- Aghụghọ na fọnfọjuakpa
- Mmegbu na anyaukwu, e wekọrọ ihe dịịrị ọhaobodo ma dowe ha n'ọnọdụ ahụhụ na ihe nhịaahụ.

**Nkuzi**

- Ọ na-akụzi ka mmadụ kpachapụ anya mata na ezi ọchịchị na-eweta udo na ọganiihu ebe ajọ ọchịchị na-eweta nsogbu na agaghị niihu.
- Ọ na-akụzi ka e were ezi akọnuche na-eke ihe dịịrị ọhaobodo.
- O gosipụtara agwa ọjọọ gbaa ya n'anwụ ka o beleta mgbe ndị ọzọ ga-arịgoro n'ọchịchị ọzọ.

**Ego**

Eze na-achị ụwa
Nnukwu na obere na-esekpuru gị
Oji na ọcha kwenyere na gọọmentị gị
Onye ịbatara be ya
Aṅ ụrị na-akpa ya nsị
O ribe ka Dọkụbọ
Onye i chere azụ
Isi ahaba ya aja aja
O were eze kpewe ekwere

Ego
Ọ dị nso elu aka
Jupụtara ebe dum
Inweta gị bụ ego
Ililo dị n'ọhịa bụ ego
Ma ịchọta ya adịghị mfe
Ọtụtụ obodo chiri gị echichi
Nye gị aha dị iche iche
Dọla ịbụkwa igwe ọha

Ego
O mere nwanne amala nwanne
Ọnwụ na-egbu nwankịta
Ịtago ọtụtụ isi ntutu
Mee ụfọdụ aka ọbara ọbara
Ebe ha na-achọ igbu ozu
Otokoto kwere ọnya ka ọ mata gị
Nwoko ṅ ụọ ara nwaanyị Asaba
Ebe ọ na-achọ gị
Amadị ghọọ udele ka ọ nyụba ego
Ego! Olee gị?

Abụ a dị n'ime akwụkwọ abụ *Izunwanne* n'ihu akwụkwọ nke iri asatọ na otu nke Ezechukwu Jerry dere. O nwere nkebiabụ atọ, nkebiaabụ nke mbụ nwere ahịrịabụ iteghete, nkebiabụ nke abụọ nwere ahịrịabụ iteghete, nke atọ nwere ahịrịabụ iri. Ndị Igbo bụ ndị hụrụ ego n'anya nke ukwu kpatara e ji ekwu sị na a chọọ ka a mara ma onye Igbo nwụọla pịị, sị yọgharịa ego na ntị ya, o bilighị a mara n'ọnwụọla. Site n'abụ a odeabụ mere ka a mata na ọ na-eme ka

ebimndụ dị ogologo ebe ọ na-egbo mkpa na nke akpara n'ụzọ ziri ezi, ego bụ mma ihu abụọ n'ihi n'ego na-azọ ndụ, na-enye obi aṅ ụrị, ma were ya egbo mkpa ma e nweta n'ụzọ ziri ezi, n'otu aka ahụ, ọ na-egbu ma a chụọ ya n'ike. O nwere uru na ọghọ m dị na ya dị ka odeabụ ji ya mee ihe nlereanya. Ego bụ ihe e ji eme ka ndụ nọpụga.

Mba niile nọ n'ụwa na-agba mbọ ịkpata ego n'ihi na ọ bụ ya ka e ji azụta ahịa, agụ akwụkwọ, arụ ụlọ, alụ nwaanyị, agwọ ọrịa, akọ ugbo, azụ nri, ụgbọala na ihe ndị ọzọ e ji enyere ndụ aka. Ọ bụ ya na-akwụsịlata nsogbu n'etiti mmadụ na ibe ya. Ọ bụ ya na-edubakwa ọtụtụ n'ịla n'iyi mgbe a na-achụ ya n'ụzọ akwụghị ọtọ. Ebe ego kọrọ, ọṅ ụ anaghị adị, ugwu na nsọpụrụ anaghị adị, ihe adịghị aga aga n'ihi nke a ka odeabụ jiri abụ a wee kuziere mmadụ ihe ka a chụọ ya n'ụzọ kwụ ọtọ. Onye chụọ ya n'ụzọ ọjọọ ọ taa isi ya. Chineke kwuru n'akwụkwọ nsọ ihe ọbụla i metụrụ aka ime wee kpata ego na ya ga-agozi gị.

Nkwenye ndị Igbo n'abamaba dị iche iche dịka otu mmọnwụ, otu ụmụọkpụ na otu nzuzo pụtara ihe n'abụ a, ha na-aba otu ndị a iji zipụta ọkịka, odogwu, anyasiriike, ịkpata ego. O so n'ebimndụ ha ji agbakọrịta ndụ na-emekọrịta ihe ọnụ, nke jọgburu onwe ya bụ nke a na-aba iji kpata ego ha ji mmadụ achụ aja, dị ka ọ dị n'ime abụ a na nkebiabụ nke atọ n'ahịrịabụ nke mbụ rue na iteghete.

O mere nwanne anala nwanne
Ọnwụ na-egbu nwankịta
Ịtago ọtụtụ isi ntutu
Mee ụfọdụ aka ọbara ọbara
Ebe ha na-achọ igbu ozu
Otokoto kwere ọnya ka ọ mata gị
Nwoko ṅ ụọ ara nwaanyị Asaba

Ebe ọ na-achọ gị
Amadị ghọọ udele ka ọ nyụba ego.

Odeabụ gbara n’anwụ ọtụtụ ihe ọjọọ na-esi n’otu ndị a apụta ma katọọ ya na-ataghị okwu eze n’ihi na ọ bụ ọnwụ na mfụ ka njedebe ya bụ ebe ha jere igbu ozu, ozu gbuzie ha. Ego mbute jọgburu onwe ya dị ka ọ dị n’ụbọchị taa.
**Atụmatụokwu**: Mbah (2013) na nkọwa ya, atụmatụokwu bụ okwu ekereuche na-atụwa echiche ime site n’inye ya nghọta pụrụ iche n’agụmagụ.

Odeabụ ji atụmatụokwu ndị a wee chọọ abụ ya mma ma zie ozi gbara elu nke nyere nghọta nye onye ọbụla gụrụ ya. O ji ilu mee abụ ya ihe ọ bụ dị ka:

Ọnwụ na-egbu nwa nkịta anaghị ekwe ya anụ isi nsị.

Ọ dị nso elu aka
O were eze kpere ekwere

**Mbụrụ**:
Aja dị n’ala bụ ego
Ililo dị n’ọhịa bụ ego

**Ndịka**
O ribe ka Dọkụgbo.
Amadị ghọọ udele ka ọ nyụba ego
Aṅ ụrị na-akpa ya ka nsị

**Bịambịamgbochi**
O mere nwanne amala nwanne

**Mmemmadụ**
Nnukwu na obere na-esekpuru gị
Oji na ọcha kwenyere na gọọmentị gị
Onye ị batara be ya
Onye i chere azụ
Ọ dị nso elu aka
Ọtụtụ obodo chiri gị echichi
Nye gị aha dị iche iche
Ịtago ọtụtụ isi ntutu
Mee ụfọdụ aka ọbara ọbara

**Egbeokwu**
Isi ahaba ya aja aja
Mee ụfọdụ aka ọbara ọbara

**Ụrọokwu**
Nnukwu na obere na-esekpuru gị
Oji na ọcha kwenyere na gọọmentị gị
Ọtụtụ obodo chiri gị echichi

**Ejimaokwu**
Nnukwu na obere na-esekpuru gị
Oji na ọcha kwenyere na gọọmentị gị

**Ajụjụnzaraonwe**
Ego! Olee gị?
Agwa ọ na-akatọ bụ ndị a:

- Ịkwafu ọbara ka e wee kpata ego.
- Ime ihe iwu mabidoro iji kpata ego.
- Ị banye ọtụtụ otu nzuzo, gbuo mmadụ ka e wee bute ego mbute

- Ntọrị mmadụ iji bute ego mbute.
- Mmadụ ime onwe ya ohu n'ihi ego.

**Nkuzi**

- Ka mmadụ kpachapụ anya n'ihi ịchụ ego n'ụzọ adịghị mma.
- Mmadụ ọbụla nwee afọ ojuju n'akụnaụba o nwerer, e nweghị afọ ojuju na-akpata n'ọtụtụ na-achụ ya bụ ego nke o ji ata isi ha.
- Ọhanaeze ga-amata n'ego adịghị agwụ agwụ, e jiri nwayọ tụtụba atụtụjuo, ọchụ n'ike na-ala n'ike.

**Nchọpụta**

A chọpụtara n'ezie n'abụ abụọ a họọrọ dịka enyo e ji ahụta ebimndụ ndị Igbo n'ụwa: abụ ndị a: Ọchịchị na Ego n'ime akwụkwọ Izunwanne zipụtara omenala Igbo na mmekọrịta mmadụ na ibe ya tụmadị n'usoro ọchịchị n'ụzọ achụmnta ego. Odeabụ gbara n'anwụ site n'abụ a ụzọ aghụghọ ndị na-achị chee na ọ bụ ezigbo ebumnobi, ihe ha na-ekwu abụghị ihe ha na-eme, ha tụpụta alo onye kwuo uche ya, onye kwuo uche ya o fuo. Were akụnaụba kwesịrị iji dozi ụzọ, kwụọ ndị ọrụ ụgwọ kwesịrị ha, mee ka ihe e ji enyere ebimndụ aka ghọzịa nsogbu nyere ndị ahụ, ha ebukọrọzie ya n'onwe ha, na na-achọ ichigha chịa ọtụtụ oge.

N'ime abụ ego, o zipụtara ọnọdụ ịgba mbọ ndị Igbo. Ime ọtụtụ ihe dị mma na nke adịghị mma iji kpata ego. Ego mbute tinyere ọtụtụ n'igbu mmadụ, baa otu nzuzo, mee ntọrị mmadụ, ghọọ udele ma tinye aka n'ụzọ ọjọọ dị icheiche ka o soro n'ọnụ na-ekwu. Njedebe ụzọ ọjọọ a niile bụ ọnwụ na mfụ. Ọtụtụ akparamagwa dị n'ebimndụ ndị Igbo agbara n'anwụ gụnyere: aghụghọ, nkarị, anyaukwu, fọnfọju akpa, enweghị afọ ojuju, ekwughị eziokwu, mmegbu, ntọrị, igbu mmadụ, na ekwu eme ọzọ. Site na nchọpụta e mere ka amatakwa ihe ndị ọchịchị na-eme. A na-atụ alo ka a ghara

ịkwado onye ọchịchị ọbụla emeghị nke ọma ịga nke ugboro abụọ ma tụọ ya nga mgbe ọ rịturu na nke mbu ọ gara ka ndị ọzọ were mụrụ akọ.

**Mmechi**

Akwụkwọ abụ ndị a e lebara anya zipụtara na ndị odeabụ agụmagụ abụ ndị a họọrọ gbara mbo iwepụtasị omume a na-ahụgasị n'ebimndụ ndị Igbo ma nke mara mma na-eweta udo, ahụike, ọganiihu, mmepe na mweta ihe akụakụ na ihe enwe enwe na-enyere ndụ aka ghara tigbue na zọgbue jupụtara n'omume ọjọọ sitere n'aghụghọ, anyaukwu, asị, mpụ na mmegbu, iji ego eme okwu na ụka, nke na-eweta ọnọdụ ịla n'iyi na esemokwu. Ịgba mbọ amaka, nkịtị adịghị mma ma wepụ anya n'ego mbute niihi na ọ chụ n'ike na-ala n'ike.

**Edemsibịa**

Akparobara, F. B. (2008). *Introduction to poetry*. Lagos: Princeton.

Anozie, C. C. (2007). *Uche bụ akpa.* Varsity Publishing Co. Ltd.

Ekwealor, C. C. (2011). *Agụmagụ ederede Igbo n'ozuzuoke*. Onitsha: Paschal Communication.

Ifeka O. R., Nsolite, O. T. & Ezechukwu, T. (2010). *Izunwanne: Anthology of modern Igbo poetry*. Onitsha: Perfect Image.

Ifeka, O. R. (2009). *Mkpanaka maka asụsụ Igbo Izugbe maka amụmamụ asụsụ Igbo na mahadum*. Top Twelve Publishing Company.

Nsolibe, O. T. (2013). Poetry: An instrument of advocacy as exemplifies in the poem 'Ọkọ n'uju and Ndị ọchịchị. Ph.D seminar University of Nigeria Nsukka.

Nwadike, I. U. (2003). *Agụmagụ ọdịnala Igbo.* Onitsha: Africana First.

Okafor, J. N. (2018). Thematic analysis of satire in selected written Igbo poems. Ph.D seminar, Department of Linguistic Igbo and Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka.

Okoro, F. U. (2009). *Deliberation on drama*. Nsukka: Uko Press.